# NHIWERE MAKA ỌRỊA ỊBA

## NKE OZURUUWA

*Imetụta Ndị mmadụ N'ụwa nile*

Ọrụ anyị bụ ime ka nwulite na ntinye n'ọrụ nke usoro nchọpụta azịza gbasara nsogbu ahụike, nke akụ ha ụba na usoro mmekọrita nke ọrịa ịba na-ebute dị mfe.



### NZỤLITE NDỊ NDU

MFI na-azụ ndị ndu nwere agba n'ụwa nile na otu mmekọrịta ga-enye ohere maka mkparitaụka, ikọwapụta uche na usoro nhazi arụmarụ ụka aga-eji luso ọrịa ịba ọgụ. Ndị anyị na ha jikọrọ aka gụnyere ụmụakwụkwọ, ndịnkuzi, ndịọkammụta sayensi, ndịojiegoachọego na ndị ọchịchị ime obodo.



### IKỤZIRI NDỊ IME OBODO

MFI na-akwalite mmụta na ịgbo mbọ ikwuchitere ndị ndu ime obodo na ụmụaka. N'ogbe ebe ọrịa ịba na-agbasa ike ike, ihe mmeme anyị na-ewulite mmekọrịta ma nye ogbe dị icheiche ọhere. Ebe ụmụaka ndị si n'obodo anaghị enwe ọrịa na-enwe mmetụta maka mmekpaahụ nke ọrịa na-ebute.



### IME KA AMATA BANYERE ỌRỊA ỊBA

Kemgbe afọ 1992, MFI emepụtala nlebanya na mkpa ọ dị igbakota mbọ ọrụ luso ọrịa ịba ọgụ. Ihe ndị anyị merela gụnyere ịmalite ebe ntanetịime nke mbụ zuru oke n'ihe gbasara ọrịa ịba, ịmepụta ngwa mgbasa ozi mbụ eji eme ka amata ihe gbasara ọrịa ịba, igbalị ịhụ na akwụsịtụrụ iji DDT maka ịbelata ọrịa ịba, nakwa igbado ukwu hụ ha akwadoro ngbanwo ụwa nile maka iji usoro ọgwụgwọ dabere na atemisinị (ACT).




### IKWU MAKA NNYOCHA

Ebe ọ bụ na enwere ike igbochi ma gwụọkwaa, ndịọkammụta sayensi ndị MFI na-ekwu maka nnyocha iji wulite ma tinye ọgwụ na ọgwụ mgbochị dị ịre n'ọrụ.



**KEDỤ NDỊ ANYỊ BỤ**

Amalitere Nhiwe maka Ọrịa ịbụ nke Ozuruuwa (MFI) n'afọ 1992 site n'aka Dr. Mary R. Galinski. Site n'ịgba mbọ na ịrụsi ọrụ ike nke ndị nnyocha na ndịokachamara akaọrụ dị icheiche, ebulitere atụmatụ iji mepụta otu kwụrụ onwe ya na-ejiko ụwa nile ga-arụsi ọrụ ike hụ na mgbochị ọgwụgwọ na ibelata ọrịa ịba dị ịre. MFI na ndị mmadụ na otu dị icheiche ndị bataralarị n'otu a na-arụkọrịta ọrụ.

**IHE NDỊ AMALITERE NA NSONSO A**



**Kwụsị Ọrịa ịba – Atụmatụ pụrụiche nke Blue Ribbon**. Agbama onya ya ha Atlanta na nzukọ kwa afọ nke ndị otu na-ahụ maka ọmụmụ gbasara ọrịa ndị ana-ahụ n'obodo okpomokụ nke ndị America, kwụsị ọrịa ịba nke ndị Blue Ribbon bụzi okwu akpụnụọnụ maka igba mbọ na ịrụsi ọrụ ike n'ịluso ọrịa ịba ọgụ.

SLAM

**Ndị Ndụ Ụmụakwụkwọ Akwadoghi Ọrịa ịba**. SLAM bụ mmeme ahaziri iji mee ka ụmụakwụkwọ ghọta ma lusokwa ọrịa ịba ọgụ. Kemgbe afọ 2005, atụmatụ nwale ọrụ ndị SLAM na-agarị n'ihụ na mba United States, Afrika na Eshia.

**Choi Kwang Do Egwuregwu Atu-egwu nke Ozuruuwa**. CKD na MFI ejikọọla aka iji nyeaka n'ọgụ a na-alụso ọrịa ịba. Ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ CKD si na mba United States na United Kingdom abụrụla ndị na-ekwu okwu gbasara ọrịa ịba, mmụta na nwulite akụ na ụba.

MBLC

**Nzukokwu Ndị Ndụ Ọrịa ịba**, na-ejikọ ndị ọkachamara, ojiegoachọego na ndịisiọchịchị ime obodo dị icheiche iji mata nke bụ eziokwu kpọmkwem gbasara ọrịa ịba nakwa otu ndịmmadụ dị icheiche ga-esi rụkọta ọrụ iji luso ọrịa a ọgụ.

**Mmeme Ihenrite nke Ọrịa ịba**. Malite n'afọ 2006, MAC mere ka amata ndị ọchịchị na ndị odogwu ndị akpotụbeghị aha n'ọgụ a na-aluso ọrịa ịba tinyere ndịnkuzi, ụmụakwụkwọ, ndịokamụuta sayensi, ndị ntaakụkọ, ndị ojiegoachọego, ndị ama ama na ndị ndọrọndọrọ ọchịchị.

**Maka ama ndị ọzọ gbasara ihe mmeme ọhụrụ ndị MFI, biko gaa n'ebe ntanetịime dị na www.malaria.org, maọbụ kpọtụrụ anyị na MFI@malaria.org.**

**Ndị nyere ntụgharị bụ www.worldvoicecenter.com**

June 2009